# JEKOB NAAGỌZI ỤMỤ YA NDỊKOM - AMỤMA UKWU AHỤ NIILE BANYERE ONYENZỌPỤTA

## Jenesis 48:1-22; 49:1-33

### IHEỌMỤMỤ 40 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka mu onwem nwua ọnwu nke ndi ziri ezi, ka ikpe-azum di kwa ka nke ya!" (Ọnu-ọgugu 23:10).**

**"Edebesiwo Okwukwe Ahu"**

Ndụ ogologo na nhụjuanya nke Jekob naabịaru ná njedebe. Ọ dịwo ọtụtụ oge nke óké ịdambà dịrị ya nime arọ ndịa, ụfọdụ nime ha nke ọ gaalanarịworị ma asị na o meghị ngwa gafe odudu nke Chineke. Ma otú ọ dị, enwere ọtụtụ mmeri nke ihemmụọ, ọ bịarukwara njedebe nke ndụ ya náenweghị egwù ịrapụ ụwa nke a na ịlakuru Onye kerè ya. Arọ niile nke ikpèazụ̀ ndụ ya bụ̀ oge kachasị ya mma, o nwekwara olileanya nke ndụ ebighịebi.

**Ngọzi Niile Nke Jekob**

Jekob echèzọbeghị anyasị ahụ na Betel mgbe ọ nọ ná nrọ̀ wee hụ́ ubube ahụ nke sitere n'ala rue eluigwe na ndị mmụọozi nke Chineke náarịgo náarịdakwa n'elu ya. Onyenweanyị nọkwasịrị n'elu ya, wee kwe Jekob mkwà na Ya gaanọnyere ya nime ndụ ya niile nyekwa ya ala ahụ nke ọ zọkwasịrịụkwụ (Jenesis 28:10-22). Jekob matara na ya ezutewo Onyenweanyị, o wee were ndụ ya na ihe niile o nwere, maọbụ nke ọ gaenweta, nyechasịa Chineke; n'ebe ahụ ka azọpụtara ya, ndụ ya wee gbanwee.

Chineke lere anya na Jekob gaefè Ya òfùfè iji kwụghachị ụgwọ ngọzi niile nke Ọ gọziri ya, ọbụná taa Ọ naele anya na ụmụ Ya gaenwe obiekele nye Ya náetò kwa Ya n'ihi obiebere na ezi ịhụn'anya Ya n'ebe ụmụ Ya nọ. Mgbe Chineke kwere Abraham mkwà inye ya ala Kenean ka ọ bụrụ ihe nketa ya rue mgbe ebighịebi, O kwuru sị: "M'gābu-kwa-ra ha Chineke" (Jenesis 17:8). Ọ chọrọ ka ndị nke Ya náefè náání Ya òfùfè, nke bụ ihe dịkarịrị ntà ha nwere ike ime iji gosi ezi nnabata nke ihe ọma niile Ọ naemere ha. Emesịa, mgbe Ụmụ Israel gaje ịbà n'Ala ahụ Ekwere ha ná mkwà ebe ha gaebi n'ụlọ nke ha náewughị, naeri site na mkpụrụ vine nke ha náakụghị, wee rie rijue afọ, Chineke dọrọ ha akanántị ka ha ghara ichezọ Jehova Onye siri n'ala Ijipt kpọpụta ha, site n'ụlọ ndị orù.

Ihe ọzọ dịóké elu nime ndụ Jekob bụ̀ mmeri o nwere n'ebe "nwoke" ahụ nọ bụ́ onye ahụ ya na ya gbara mgbà site n'anyasị rue chi ọbụbọ n'akụkụ mmiri iyi Jabok . O wezugara onweya iche n'iji obi ya chụọàjà na idebe onweya nsọ mgbe ọ nọ náagbámgbà ahụ karịa otú o mere n'oge niile garaaga nime ndụ ya, ma mgbe chi malitere ịbọ̀ o nwetara ọchịchọ nke obi ya, o wee bụrụ onye edoro nsọ. Okwu ndịa ka "nwoke" ahụ kwuru, "N'ihi na i jisiwo ike n'ebe Chineke nọ na n'ebe madu nọ, i we nwe ike" (maọbụ, "Dika ọkpara eze, i nwewo ike n'ebe Chineke nọ na n'ebe madu nọ") gaabụworị ihe náere ọkụ n'obi Jekob nke mere na o chezọghị ha. Chineke gbanwekwara aha ya ka ọ bụrụ Israel, ọ bụghị kwa Jekob; site na mgbe ahụ aha ahụ (bụ́) "Ụmụ Israel" maọbụ "Mbà Israel," naatụ aka ndị sitere n'àgbụ̀rụ̀ Jekob pụta.

**Ọnwụnwa Niile Nke Jekob**

Otù nime ihe óké iruuju kachasị ihe mgbu niile nke dakwasịworo Jekob bụ̀ mgbe anapụrụ ya nwa ya ahụ dị ya n'obi bụ́ Josef wee resị ya ndị naaga Ijipt. O chere na Josef anwụwo, na ọ gaghị ahụ ya anya ọzọ. O nwere ọñụ dị ukwuu, mgbe ihe ka iri arọ abụọ gasịrị, mgbe ụmụ ya ndịọzọ gara Ijipt ịzụta ọkà wee chọpụta na nwanne ha nwoke onye ha kpọrọ asị abụrụwo onye nke abụọ ná ndị naachịachị n'ala ahụ! Ndịèzínaụlọ ahụ (Jekob, ụmụ ya, na ụmụụmụ ya -- ha niile dị iri isii na isii) wee kwakọrọ jee n'ala Goshen nke dị n'Ijipt, ebe ha biri n'udo na ọñụ rue mgbe Jekob dizuru ndụ ya n'ụwa nke a.

**Ekwupụtara Ngọzi Niile Nke Dị N'iru**

Mgbe Jekob dị narị na iri arọ anọ na asaa (147) ọrịa jisịrị ya ike, o wee kpọọ ụmụ ya niile ka ha bịarue ya nso ka o wee gọzie ha gwa kwa ha ihe gaadapụtara ha n'oge dị n'iru. Ọ bụ Josef na ụmụ Josef abụọ ka Jekob buru ụzọ gọzie. Josef naadị nna ya n'obi mgbe niile n'ihi na Josef naeme ihe náatọ nna ya ụtọ, náeme kwa ihe náatọ Chineke ụtọ; ma site n'ọlụ dị ukwuu nke Josef lụrụ n'ime ka ndị Ijipt niile na ndịèzínaụlọ nna ya ghara ịnwụ n'agụụ, Josef achọtaworo onweya ọnọdụ pụrụ iche n'ihe banyere ngọzi ahụ sitere n'ebe nna ha nọ. Kama inweta ihe nketa dịka ụmụnne ya ndịọzọ nwetara, enyere ya okpukpo abụọ, otù maka otù nwa ya nime ụmụ ya abụọ ahụ, bụ́ Efraim na Manase. Jekob were ụmụụmụ ya abụọ ndịa, Efraim na Manase mee ụmụ nke aka ya, ma kaà ya akàrà ka ọ bụrụ iwu na mmadụ abụọ ndịa n'otù n'otù gaeketa otù ókè ahụ dịka ụmụ Jekob ndịọzọ ketara. Mgbe ọtụtụ narị arọ̀ gasịrị, mgbe Ụmụ Israel batara na Kenean iwere ihe nketa ha, anyị anụghị maka ebo Josef, kama anyị naanụ banyere ebo abụọ ahụ bụ́ nke Efraim na nke Manase. N'ezie Efraim mesịrị sieike nwekwa ume nke ukwuu, nke mere na oge ụfọdụ anaakpọ Mba Israel "Efraim." Otù n'ihe weliri ebo Efraim elu nke mekwara ka ọ dị iche n'ebube bụ̀ na onyendú ndị Israel bụ́ Joshua, onye nọchiri Moses, siri n'ebo Efraim pụta.

N'ebe ụmụnne abụọ ahụ nọ, Manase bụ okenye, ma Efraim nwetara ngọzi nke ka ukwuu. Mgbe Jekob tụkwasịrị aka nri ya n'isi Efraim ka o wee nweta ngọzi nke mbụ, ọ sịrị na ya maara ihe ya naeme. O kwuru na Manase gaabụ

kwa mba dị ukwuu, ma ọ bụghị dịka Efraim. Anyị matara na Mmụọ Chineke nọ nime Jekob mgbe ọ kpọkwasịrị ngọzi ahụ niile n'arụ ụmụ ya, anyị naahụ kwa na Chineke adịghị ekpe anyị ikpé otú mmadụ si ekpé. Anaenye anyị ngọzi site n'aka Chineke dịka ọchịchọ anyị nwere ra ime ihe naatọ Chineke ụtọ.

### Anaachọ Iji Obi Chụọàjà Niile

Anyị nwere ọtụtụ ebe nime Baịbụl ebe arọọrọ onye ka ntà ma jụ nke okenye. Onye ọ bụla nwere ohere zuruòkè ịchọpụta iruọma n'ebe Chineke nọ, ma ọ bụghị mmadụ niile jikeere iji obi ha chụọàjà niile ahụ dị omimi nke gaeweta ngọzi niile ahụ. Mgbe Ken were iwe n'ihi na Chineke rọọrọ Ebel, nwanne ya ntà, Chineke sịrị, "N'ihi gini ka inēwe iwe di ọku? … ọ buru na i nēme nke-ọma, ọ bugh ngbasa-iru ka i gēnwe? Ọ buru kwa na i megh nke-ọma, n'ọnu-uzọ ka nmehie nāmakpu" (Jenesis 4:6, 7).

Reuben kachasị ịbụ okenye nime ụmụ Jekob mụrụ, ọ bụ̀ ya kwesịrị iwere ọnọdụọkpara, nke pụtara na ọ bụ ya ka ọ dịrị ịchịkọta èzínaụlọ nna ya dịka eze; náemezu ụkpụrụ ikpere Chineke dịka onye nchụàjà; ná enweta kwa okpukpo abụọ site n'ihe nketa nke nna ya. Ma Reuben mehiere, wee mee ihe náatọghị nna ya ụtọ, wee site na nke a tufue ihe ndịa niile nke gaabụworị nke ya. Anyị ahụwo na Josef, site n'ebe ụmụ ya abụọ nọ nwetara okpukpo abụọ site n'ihe onwunwe nke nna ya.

### Ekwere Mkwà Maka Onye Mgbapụta

Ọ bụ Juda ka enyere ịbụ eze: "Nkpa-n'aka eze agagh-esi n'ebe Juda nọ wezuga onwe-ya, mkpà-n'aka onye nēnye ukpuru agagh-esi kwa n'etiti ukwu-ya abua wezuga onwe-ya, rue mgbe Shailo gābia." Jekob enweghị ike ile anya gamie ịmata ihe bụ ọdịn'iru, ma Mmụọ nke Chineke sitere nime ya kwueokwu, ma bue kwa amụma na ọ bụ site na Juda ka Jisọs gaesi bịa, "ọ bu kwa ya gēnwe iña nti di iche iche."

Ì chètara na Chineke ekweworị Abraham mkwà "Agāgọzi kwa agburu nile nke uwa nime gi" (Jenesis 12:3); emesia O kwekwara Aisak bụ nwa ya mkwà ahụ, "Ọ bu kwa na nkpuru-gi ka mba nile nke uwa gāgọzi onwe-ha" (Jenesis 26:4); mgbe ahụ Ọ gwa kwa Jekob bụ̀ nwanwa Abraham, sị "Agāgọzi kwa agburu nile nke elu-uwa nime gi na nime nkpuru-gi" (Jenesis 28:14). Aga agọzi ụwa niile site na Jisọs Onye gaesite n'ụmụ nke ndị nna ochie ahụ. Okwu Chineke naeguzosiike, Ọ nọ náekwekwasị mkwà ahụ dị ebube nke Onyemgbapụta nye ọgbọ ọ bụla nke náesote. Ugbu a Jekob naenyefe ya n'aka nwa ya bụ Juda. Anyị matara na Eze Devid sitere n'ebo Juda, ọtụtụ mgbe ka anaakpọ Jisọs Nwa Devid. Na Nkpughe 5:5, akpọrọ Jisọs Ọdum ahụ nke si n'ebo Juda pụta.

Ọlụ onye nchụàjà ka enyere Livai, ọ bụ kwa site n'ebo ahụ ka ndị nchụàjà niile siri pụta. Mgbe anyị naagụ ihe banyere Usoro ndị nchụàjà nke Livai, nke ahụ pụtara ndị nchụàjà nke ebo Livai. Ọ bụghị onye ọ bụla nọ n'ebo ahụ nwere ike ịbụ onye nchụàjà, ma ha naalụ ọtụtụ ọlụ ọzọ na chọọchị, ọ bụ kwa chọọchị naelekọta ha, ọ dịghị kwa ihe nketa ha natara mgbe ha batara na Kenean. Ná ngọzi Jekob, ọ sịrị, "M'gēkesa ha nime Jekob, gbasa kwa ha n'Israel." Nke a mezuru n'ụzọ pụtara ìhè, n'ihi na dịka ndị ozi na ndị nchụàjà ha naejere ụmụmmadụ ozi n'ala ahụ niile, ha ebikọghị kwa otù ebe dịka ebo. Ụfọdụ ndị anyị naamụ ihe banyere ha bụ́ ndị sitere n'ebo a bụ Moses, Eron, na Samuel. Anyị amụsiworị maka Zakaraias na Elizabet, nnenanna Jọn Onyeọwụmmiri, bụ́ ndị sitere n'ebo a. Zakaraias jere ozi n'Ụlọukwu Chineke dịka onye nchụàjà.

### Òku Ikpèazụ̀ Ahụ

Ụmụ ndịkom Jekob niile, bụ́ ndịisi nke ebo iri na abụọ nke Israel, natara ọtụtụ ngọzi site n'aka nna ha. Mgbe ọ gọzisịrị ha, ọ nwụọ wee lakuru Onyenweanyị, na kwa Abraham, Aisak, na ndịọzọ bụ́ ụmụnna ya na ndị ya bụ́ ndị buwororị ụzọ laa.

Óké iruuju dị n'ala Ijipt n'ihi nna Josef. Ọ bụ̀ omenaala nke ndị Ju iruuju iri ụbọchị anọ, ndị Ijipt kwakwaara ya ákwá iri ụbọchị asaa. Jekob arịọworị ka elie ya n'ala Kenean, n'ihi nke a mgbe ụbọchị niile nke iruuju gasịrị óké igwe mmadụ wee yikọọ n'otù nnukwu ahịrị náejéghachi obodo nke aka ya. Josef gara, ya na "ndi-orù Fero nile, na ndi-okenye ulo-ya, na ndi-okenye nile nke ala Ijipt, na ulo Josef nile, na umu-nne-ya na ulo nna-ya" (Jenesis 50:7, 8).

### Josef Onye Nnapụta

Mgbe ha laghachiri n'Ijipt, ụmụnne Josef chere na ugbu a nna ha nwụrụ, na eleghịanya Josef ka gaabọ́ọ́bọ̀ mmeso ọjọọ ha n'ihi ire ya ka ọ bụrụ orù. Anyị hụrụ na ha kpọ kwara isiala ọzọ nye ya, dịka nrọ̀ ahụ ọ rọrọ mgbe ọ bụ̀ nwaokorontà si dị. Ma Josef bụ̀ ezi onye nke Chineke, ọ dịwokwarị anya mgbe ọ gbaghara ma chezọkwarị ihe ọjọọ niile ahụ ha mere ya rị. O wereworị ntachịobi chere Onyenweanyị ka Ọ lụpụta àtụ̀mààtụ̀ Ya niile, n'ihi ikwesị ntụkwasịobi ya n'ebe Chineke nọ, ọ ghọwo onye nnapụta nke èzínaụlọ Jekob na ndị niile bi n'ala Ijipt. Lee óké ihe niile Chineke pụrụ iji mmadụ ahụ nke ji obi ya chụbiga àjàóké lụọ!

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ì nwere ike icheta oge azọpụtara Jekob?
2. Òlee ebe ka edoro ya nsọ?
3. Nwa Josef nke okenye ọ̀ natara ngọzi dịka omenaala si dị?
4. Kwue ọtụtụ ụzọ anyị nwereike isi nata ọtụtụ ngọzi nke Onyenweanyị.
5. Òlee ebe Jekob rịọrọ ka elie ya?